# ASUSU IGBO

## AHUIKE NDI NTOROBIA.

*Ndi ntorobia:*

Ndi ntorobia bu umu okoro na umuagbogho na-eto eto. Ha bu no n'agbata umuaka na okenye. Ndi ntorobia bu ndi no n'agbata afo iri na afo iri na asato. A na -akpo ha 'youths' na Bekee.

### Ahuike ndi ntorobia

Gini bu ahuike? Ahuike bu onodu idi mma nke ahu na nke ime mmuo. O bukwazi mmadu igbasi ike maobu ikwu chim chim n'ahu na n'ime mmuo nwe ike idi na-aru oru ya nkeoma.

### Uzo esi enweta ahuike

Uzo esi enweta ahuike bara uba. Ufodu n'ime ha bu:

Site n'idewe ahu ha ocha.

Site n'iri ezigbo nri na nri ahu choro.

Site n'igwuri egwu oge ha kwesiri dika igba boolu, igba oso d.g.z.

Site n'izu ike ma aruchaa oru ubochi.

Site n'idebe gburugburu na ulo obibi ha ocha oge niile.

Site n'isu akwa ma obu uwe ha asu.

Site n'izere mmeko nwoke na nwaanyi.

### Oria na-emekpa ndi ntorobia ahu.

Ufodu n'ime oria na-emekpa ndi ntorobia ahu bu ndi a:

Oria a na-enweta site na mmekorita nwoke na nwaanyi: oria mminwu (HIV/AIDS), gonoria (gonorrhoea), Sifilis, ukwara nta, akwukwu d.g.z.

Oria ndi enwere ike inweta site n'erighi nri nkeoma na-erighi nri ahu choro bu; oria suga, kwashioko, oria isi na ahuchaghi uzo.

Oria enwere inweta site n'iru unyi n'uzo obula uzo bu oko ahu na ahu ntakasi.

Oria enwere ike inweta site n'inu ogwu agharaghara bu ara (madness), isi mgbaka, oria anya, ukwara.

### Mkpuru edemede Igbo na usoro odide ya.

Mkpuru edemede bu mkpuru abidii eji edeputa mkpuruokwu igbo.

N'afo 1961, ndi otu ahoputara mere nnyocha n'ihe gbasara asusu Igbo a na-akpo Onwu Komitii mere ka o doo anya na o bu iri ato na isii ka mkpuruedemede igbo di. O bu makana aha onyeisi otu ahu a na-akpo Onwu Komitii bu Mazi S. E. Onwu ka eji akpo ya aha a ebe a na-akpo mkpuruedemede otu a haziri ka ejiri na-ede asusu Igbo Onwu Otografii ma o bu mkpuruedemede Onwu.

## **Usoro odide mkpuru edemede Igb**o.

Ndi nnukwu mkpuru edemede

ABCHDEFGGBGHGWHIỊJKKPKWLMNṄNWNYOỌPRSSHTUỤVWYZ.

## Mkpuru edemede ndi obere

a b ch d e f g gb gh gw h i ị j k kp kw l m n ṅ nw ny o ọ p r s sh t u ụ̮ v w y z.

Lee mkpuruokwu e ji mkpuru edemede ndi a wee mewe;

a - aja.

b - bia.

ch - chere.

d - dibia.

e - eke.

f - efe.

g - agu.

gb - mgba

gh - agha

gw - agwa.

h - ha

i - isi

i - igba

j - ji.

k - oke

kp - akpa

kw - ikwe

l - leta.

m - mkpu

n - ntu.

n - anara

y - iyori(ola nti)

z - nzu.

## Udaume

Udaume bu ngalaba n'ime mkpuruedemede Igbo nke na-enwe uda n'mkpoputa makana e nwere njiakpo na-emetuta ibe ya.

Udaume e nwere na mkpuru edemede Igbo di asato. Ha bu ndi a; a e i i o o u u. E kere udaume uzo abuo dika mkpoputa ha siri di. Ha bu:

a. Udaaro (otu 'E')

b. Udamfe (otu 'A')

## Mgbochiume

Mgbochiume bu otu ngalaba n'ime mkpuruedemede Igbo nke na-enweghi uda dika udaume. Mgbochiume di iri abuo na asato. Ha bu; ch d f g gb gh gw j k kp kw l m n nw ny p r s sh t w y z. Mgbochiume di uzo abuo. Ha bu: mgbochiume mkpi na mgbochiume nge. Mgbochiume mkpi di iteghete ebe mgbochiume nge di iri na iteghete.

## Myiriudaume 'm' na 'n'

Myiriudaume so n'otu ngalaba mkpuruedemede nke na-enwe uda ma uda ha ezughi ka nke udaume. Ha na-akpo n'imi nke mere e ji akpo ha mkponimi "syllabic nasal " na Bekee.

## Akaraedemede : kpom rikom, akarauhie d.g.z

**Kpom rikom (Semi colon): kpomrikom** bu akaraedemede e ji egosi nnukwu nkuru ume mgbe a na-agu ahiriokwu e dere ede nke na-egosi na-edechabeghi ihe ebu n'uche. Imaatu: a. E mere elu e mere ala; anyi nwe mmeri.

b. Puo ebe a; olee onye kporo gi n'okwu a.

ch. Gini ka unu na-acho n'ulo anyi; anyi ji unu ugwo?

d. Mmadu dum ga-anwu; onwu bu ugwo onye obula ji Chukwu.

## Akarauhie (-) 'Hyphen'

Nke a bu akaraedemede na-egosi okwu abuo na-aruko oru onu nke anaghi edekota onu ka otu mkpuruokwu. O bu mmekorita okwu abuo a mere na-eji akarauhie (-) wee na-ejikota ha abuo onu. Imaatu :

Anyi ga-ata anu.

Okeke na-agu akwukwo.

ch. O na-eje ahia.

Ha ga-abia echi.

Nne m na-esi nri.

## Akara kpom (.) 'Fullstop '

Nke a bu akaraedemede e ji egosi nkwusi okwu ma o bu ahiriokwu. E ji akara kpom akapia okwu onu iji gosi na ahiriokwu ahu abiala n'isi njedebe.

Imaatu:

Rie.

Ada mara mma.

ch. Taa bu uka.

A bu m onye oru oyibo.

Nwata ahu enweghi uche.

## Akara ajuju (?) 'Question mark '

Nke a bu akaraedemede na-egosi na ahiriokwu bu ajuju. Imaatu :

a. Onye ka i bu?
b. Kedu ka i mere?
ch. Gini bu aha gi?
d. Unu abiala?
e. Olee ebe ha gara?

## Akara mkpu (!) 'Exclamation mark '

Nke a bu akaraedemede na-egosi na ahiriokwu bu mkpu. E ji olu ike aguputa ahiriokwu bu mkpu.
Imaatu:
a. Chei, efuo moo!
b. Hei, lee agwo!
ch. Ewo! O bu ka uwa di?
d. Onwu! Gini ka m mere gi?

## Ochichi odinaala (Igbo political institution)

Ochichi bu usoro e si ahazi ndi mmadu ka e wee nwe idinotu, udo na oganiihu.
Ndi Igbo na-achikwa onwe ha malite n'ezinaulo wee ruo n'obodo.
Ochichi odinaala ndi Igbo na-ebido n'ezinaulo wee banye n'umunna, n'ogbe na obodo.

## Usoro ochichi odinaala

Iyomdi
Umuokpu
Otu ogbo
Otu nzuzo
Nze na Ozo
Eze odinaala.

## Umunna:

Umunna bu ezinaulo di iche iche mebere ya. O nwekwara onye bu onyeisi umunna.

O bu oru diiri onyeisi umunna inye ndi no n'okpuru ya ezi ndumodu, kuzikwara ha ezi uzo mgbe ha na-ejehie.
O bu oru diiri ya idozi esemokwu daputara n'umunna.

## Ochichi Obodo:

Obodo obula nwere ewumewu ochichi obodo obula kewakwara n'ogbe n'ogbe. Ogbe obula kewara n'umunna n'umunna. Umunna obula nwekwara ezinaulo. Obodo, ogbe, umunna, na ezinaulo nwekwara ndi isi ma o bu onye na-achi ha.

## Ndi eze odinaala:

Ndi eze odinaala bu ndi na-achi Obodo di iche iche. A na-akpo ha igwe obodo.

Tupu ahoputa mmadu dika eze, o ga-aburiri nwaafo obodo ahu. O ga-anuriri nwaanyi.

na-echi eze odinaala echi. Ozigbo obodo hoputara onye ga-abu eze, a na-anokwasi ya n'oche ya site n'ime mmemme ichi ya eze. Eze odinaala nwere ndi na-anodebe ya a na-akpo ndi ichie.

## Oru diiri onye eze odinaala

Eze odinaala nwere otutu oru diiri ya n'obodo dika:

a. Idozi esemokwu daputara n'obodo.

b. Ikwado onodu mmepe n'obodo.

ch. O na-ahu na udo dere ede di n'obodo.

O ga-eguzobe iwu ga na-achi ewu, na okuko n'obodo.

O na-enyere umu ogbenye aka n'obodo.

## Umuokpu /Umuada:

Umuokpu bu otu jikotara umunwaanyi niile a muru n'otu umunna ma o bu obodo lupuru di n'obodo nke ha ma o bu mba ozo. Ha niile na-emekorita nzuko onu n'obodo a na-anu ha.

Gini bu okpu? Okpu bu echichi mbu a ga-echiri nwa nwaanyi obula a muputara. O bu ya na tupu akpo mmadu nwaokpu, o ga-echi okpu. A na-eji ego, oji, mmanya na ihe oriri echi okpu.

## Uru okpu bara/oru diiri umuokpu

Umuokpu nwere oru di iche iche ha na-aru tumadi n'umunna ebe a muru ha. Ufodu oru ha bu:

Idozi esemokwu daputara n'etiti di na nwunye na nwanne na nwanne .

Ha na-acho odimma onwe ha odimma ezinaulo nna ha, odimma umunna ha, nakwazi odimma obodo a muru ha.

Esemokwu sie ike n'ezinaulo ebe a muru ha, umuokpu na-abia dozie ya bu okwu.

Ha na-enye aka n'idozi nsogbu obula daputara n'etiti ndi be nna ha na ndi be di ha.

Ha na-enye aka n'idozi esemokwu ma o daputa n'etiti di na nwunye ma o bu ndi nwunye di n'ebe a muru ha.

## Nze na Ozo:

Ndi nze na ozo bu ndi chiri echichi puru iche n'obodo. Onye obula choro ichi ozo ga-ebu uzo mee emume ichi ozo.

## Iwu Ozo

E nwere iwu di iche iche na-achi ozo.

a. Nwa agaghi echi ozo ma nna ya di ndu.

b. Onye Ozo agaghi ari elu.

ch. Onye Ozo agaghi emetu nwunye mmadu aka.

d. Onye agaghi eme ihe n'ochichiri.

e. Onye Ozo agaghi abuchapu, lacharakwa.

f. Onye Ozo agaghi agafe mmiri.

## Otu ogbo:

Otu ogbo bu ndi a muru otu mgbe nke ufodu n'ime ha nwere ike iji otu afo, afo abuo ma o bu ato too onwe ha.

N'ala Igbo, obodo obula nwere afo ole a na-eruo achikota otu ogbo. umunwoke na umunwaanyi na-aba n'otu ogbo.

## Otu ogbo di iche iche :

Ufodu aha otu ogbo di iche iche na-aza gunyere :

Otu ogbo ifunanya.

Otu ogbo igwebuike.

Otu ogbo udogadi.

Otu ogbo ekwueme.

Otu ogbo ikenga.

Otu ogbo umuoma.

## Oru diiri otu ogbo n'obodo

Otu ogbo bara nnukwu uru n'obodo.

A. Otu ogbo na-akwalite onye otu ha dara ada site n'inye ya ego ma o bu inye ya oru.

Ha na-atuputa atumatu di iche iche ga-abara obodo uru.

CH. Ha na-edozi esemokwu daputara n'obodo.

D. Ha na-ahu n'obodo di ocha.

E. Ha na-echekwaba obodo ha.

F. Ha na-eme ka obodo na-ekpo oku n'oge mmemme.

## Edemede

Edemede bu echiche mmadu deturu edetu n'akwukwo nke nwere nghota na echiche zuru oke.

## Ihe ndi di mkpa n'edemede

À�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�ĀĀÀ�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā� Isiokwu

À�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�ĀĀÀ�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā�Ā� N

keji na nkeji CH.

Ezi nchoputa

ńAka nka

ńAkaraedemede

ńEzi nghota

ńNka asusu

## Nkenuudi Edemede

Edemede nkowa.

Edemede akomako. ch.

Edemede arumaruka.

Edemede ekwumekwu.

Edemede mkparitauka.

Edemede nkowami.

Edemede leta.

## Edemede nkowa (Descriptive essay).

Edemede nkowa bu udi edemede e ji akowa ihe nkiti, mmadu, anumanu, d.g.z.

Omumaatu :

a. Onyenkuzi m

b. Obodo m

ch. Uloakwukwo m

d. Enyi m

e. Nnukwu mmadu n'obodo m

## Edemede akuko/akomako

Nke a bu udi edemede na-ekwu maka emereme, ihe nwere ndu nke ga-abukwa akuko.

Omumaatu:

a. Mmemme iri ji ohuru

b. Njem m garala

ch. Ubochi di oke egwu n'ndu m

d. Ikowa maka azumahia.

## Edemede mkparitauka

Nke a bu mkparitauka na-adi n'etiti mmadu abuo ma o karia nke e daputara n'udi edemede.

**Edemede leta**

Edemede Leta bu akwukwo ozi a na-edegara onye ozo no na mpaghara obodo tere aka.

## Ngalaba edemede leta

E kere edemede leta uzo abuo. Ha bu :

I. Leta nkeonye

II. Leta anamachoihe

## Leta nkeonye:

Leta nkeonye bu leta mmadu mmadu na-edegara onye o maara nkeoma na onye ya na ya na-enwe ezi mmekorita n'etiti onwe ha.

## Njirimara leta nkeonye

O na-enwe otu adiresi nke ga-adi n'akuku aka nri.

O na-enwe ekele mmalite dika
"Ezigbo enyi m ". ch. O na-enwe
ahu leta.

A na-anabata aha otutu mmadu.

O naghi ebu siginecho odee.

O naghi enwe isiokwu a na-aka ihe n'okpuru.

Leta a na-enwe mmechi.

## Leta anamachoihe:

Nke a bu leta mmadu na-edegara onye o maghi iji choo oru n'aka ya.

## Nkenuudi leta anamachoihe

a. Leta anamachooru

b. Leta azumaahia

ch. Leta ajumase

d. Leta akpomokwu.

e. Leta mkpesa

f. Leta mgbasaozi.

## Njirimara leta anamachoihe

O na-enwe adiresi abuo. Adresi odee ga-adi n'aka nri ebe adiresi onye a na-edegara ga-adi n'akuku aka ekpe.

O na-enwe isiokwu nke a na-aka ihe n'okpuru.

ch. O na-enwe ekele mmalite.

O ga-enwe ahu leta nke na-adi nkenke.

O na-enwe mmechi.